## Gịnị bụ ọrịa ịba ọcha n’anya B?

**Ọrịa ịba ọcha n’anya B bụ nje na-ebi n’ime imeju gị. Ọtụtụ nde mmadụ gburugburu n’ụwa nwere ya.**

A na-ebufe ya site na ọbara na mmiri nke anụ ahụ, dịka ọmụmaatụ n’oge ọmụmụ nwa. Ọtụtụ ndị mmadụ butere nje a mgbe a mụrụ ha ma ọ bụ mgbe ha ka bụ nwata.

Ọrịa notere aka n’ahụ nwere ike ibute ọrịa imeju siri ike (cirrhosis) ma ọ bụ kansa imeju. Mana ọtụtụ mmadụ na-enwe ahụ ike n’inwe ọrịa ịba ọcha n’anya B.

O nwebeghi ogwugwo. Enwere ike ịchịkwa nje a site na usoro ahụ ji alụso ọrịa ọgụ ma ọ bụ ọgwụgwọ. Ịchịkwa ya na-enyere aka ịkwụsị nnukwu mmerụ ahụ.

Ndị nọ n’ihe ize ndụ nke ibute ọrịa ịba ọcha n’anya B nwere ike ịnweta ọgwụ mgbochi ọrịa n’efu iji chebe ha na ya.



**“A chọpụtaram ọrịa ahụ n’ahụ m mgbe m bụ nwata ma aghọtachaghị m ya ruo mgbe m tolitere.**

**Ugbu a, m na-anagide ya site n’iso ụmụ m na-anọrị, na- ejegharị kwa ụbọchị, nakwa eso ndị m tụkwasịrị obi na-akparịta banyere ya.”**

## Ozi na nkwado maka gị

Ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ịnwe ajụjụ ma ọ bụ chọọ nkwado ụfọdụ.

**British Liver Trust nọ ebe a maka gị.**



Iji kwuritara onye maara ihe gbasara ya, kpọọ akara enyemaka nọọsụ British Liver Trust na **0800 652 7330 N’EFU**.

Anyị nwere ọtụtụ ozi gbasara ọrịa ịba ọcha n’anya B. Ị nwekwara ike isonye na Otu Nkwado ma ọ bụ Igwe Otu Ịntanetị anyị.

Iji chọpụta ihe ndị ọzọ seta koodu ahụ ma ọ bụ gaa na britishlivertrust.org.uk/translate-hepb

Emepụtara mpempe akwụkwọ a na Nov 2023.
Koodu: HBV/11/23.

British Liver Trust bụ ọrụ ebere edebanyere aha na England na Wales 298858, Scotland SC042140.

BRITISH LIVER TRUST

NHS

Igbo Igbo



# Achọpụtara Ụgbua na ọ bụ ọrịa ịba ọcha n’anya B

## Ihe ị kwesịrị ịma

Ị ga-enwe oge gị na dọkịta ọkachamara ma ọ bụ nọọsụ ga-ahụ gbasara nyocha gị.

Ị nwere ike ichere ruo ọtụtụ ọnwa. Ọ dị ezigbo mkpa iga, ọ bụrụgodị na ahụ dị gị mma.

Mpempe akwụkwọ a dị ebe a iji nyere aka mgbe ị na-eche. Ọ na-agwa gị maka:

- Ihe ọrịa ịba ọcha n’anya B
- Ihe ga-eme ọzọ
- Ịchebe ndị ọzọ
- Elekọta ahụike gị
- Ebe ị ga-enweta ozi na nkwado ndị ọzọ

## Ihe ga-eme ọzọ?

Ịkwesịrị ịhụ ọkachamara n'ụlọ ọgwụ. Ị nwere ike ichere ruo ọtụtụ ọnwa. Gbalịa ka ị ghara ichegbu onwe gị. Depụta ajụjụ ị ga-eburu jee. Ị nwere ike ịrịọ maka onye nsụgharị okwu ma ọ bụrụ na ị chọrọ otu.

Ọkachamara ahụ ga-eme nyocha dịka nyocha ọbara na nyocha imeju iji lelee:

- Etu nje virus ahụ siri dị ike
- Ma imeju gị emebiwo
- Ọ bụrụ na ọ dị mkpa ka agwọọ gị

Ime ka ogo nje virus ahụ dị ala na-eme ka ọ ghara imebi imeju gị. N'ọtụtụ ọnọdụ, usoro ahụ ji alụso ọrịa ọgụ nwere ike imeli nke a. Ụfọdụ ndị mmadụ chọrọ ọgwụgwọ, nke na-abụkarị ọgwụ ị na-aṅụ n'ọnụ kwa ụbọchị.

Ọ dị ezigbo mkpa iga n'oge ịhụ dọkịta gị niile nakwa nyocha ahụ gị. Ọbụlagodi na ahụ dị gị mma ma ọ bụ na ị naghị anara ọgwụgwọ. Nje virus nwere ike ịdịkwu ike ma mebie imeju gị n'amaghị ama.

**Rizọọtụ ule ahụ gị bụ nke nzuzo. Ha anaghị emetụta ohere nke ịrịọ maka ebe mgbaba ma ọ bụ idozie okwu gbasara ikwabata na mba.**

## Ịchebe ndị ọzọ

Ndị ị nọ gị nso nwekwara ike ibute ọrịa ịba ọcha n'anya B. Ma ọ bụ ya abụrụ na ha enwetala ya. Nke a gụnyere:

- Ndị mmadụ bi n'ime ezinụlọ gị, gụnyere ụmụaka
- Ndị gị na ha na-enwe mmekọahụ

Ị nwere ike inye aka ilekọta ha site n'ịgwa ha ihe ndị ịchọpụtara n'ule ahụ. Ị nwere ike igosi ha mpempe akwụkwọ a iji nyere aka kọwaa.

Ndị gị na ha nọ nso kwesịrị ịjụ GP ha maka nlele ahụ n'efu **maka ọrịa ịba ọcha n'anya B** iji chọpụta ma ha enweghị ya. Ha nwekwara ike ịnweta **ọgwụ mgbochi dị mma nke bụ n'efu,** nke dị mma nke ukwuu n'ichebe ndị mmadụ pụọ na ọrịa ịba ọcha n'anya B.

Ọ bụ n'efu ịdebanye aha n'aka GP.

Gaa na www.nhs.uk/service-search/find-a-gp iji chọta nke dị gị nso.

A na-ebufe ọrịa ịba ọcha n'anya B mgbe ọbara ma ọ bụ mmiri ahụ mmadụ na-agwakọta. Nke ahụ pụtara na a pụghị ibufe ya site n'ime nri ma ọ bụ ịkekọrịta nri, ịmakụ, ma ọ bụ isusu ọnụ.

Ị nwere ike inye aka kwụsị nkesa nje a.

- Jiri condom ma ọ bụ dam nwee mmekọahụ, ọ gwụla ma onye gị na ya na-enwe mmekọahụ ọ gbara ọgwụ mgbochi ọrịa ma ọ bụ o bu ọrịa ịba ọcha n'anya B.
- Ekekọrịtala ihe ọ bụla nwere ike ibute ọbara na ya dịka agụba, brọsh eze, agiga.
- Jiri plasta kpuchie mgbawa ọnụ ahụ, mkpucha ahụ na ọnya wee jiri mmiri nhicha ihe ọcha hichaa ebe ọbara wufuru.

## Ịlekọta ahụike gị

Ị nwere ike ime ihe iji lekọta ahụike gị ugbu a, ka ị na-echere oge ịhụ dọkịta.

- Rie ezigbo nri
- Aṅụla mmanya na-aba n'anya
- Na-arụsi ọrụ ike ma na-emega ahụ
- Na-ehi ụra nke ọma
- Gaa na nlele ahụ gị niile
- Gwa ndị ọkachamara ahụike mgbe niile na ị nwetala nlele ahụ na-egosi na ibu ọrịa ịba ọcha n'anya B, ka ha wee nwee ike ịchọpụta ma ị nwere ike ịṅụ ọgwụ ahụ na-enweghị nsogbu.

Lekọtakwa ahụike uche gị. Ikwuritara ndị mmadụ okwu nwere ike inye aka. Chee echiche banyere onye ị tụkwasịrị obi wee malite ebe ahụ. British Liver Trust nwere Otu Nkwado dị iche iche ebe ị nwere ike izute ndị ọzọ na-arịa ọrịa ịba ọcha n'anya B.

Ịba ọcha n'anya B na-emekarị ka ọ dịghị ihe mgbaàmà. Ị nwere ike inwe mmetụta dịị ka ị nwere ọrịa flu dị obere ma ọ bụ hụta ọkọ. Maka enyemaka ijikwa mgbaàmà ọrịa ndị a, gwa dọkịta gị na-awa ahụ ma ọ bụ ụlọ ahịa ọgwụ.

**Ọrịa Ịba ọcha n'anya B nwere ike ịkpata nnukwu nsogbu. Ọ bụrụ na ị nwere nke ọ bụla n'ime mgbaàmà ọrịa ndị a, gaa na A&E:**

- Inwe mmetụta nke oke ike ọgwụgwụ
- Akpụkpọ anụ ahụ ma ọ bụ anya na-acha odo odo (jaundice)
- Afọ kure eku
- Igbọpụta ọbara ma ọ bụ nsị gbara ọchịchịrị na ayakọsi ayakosi